# MKPỌGIDE N'OBE NKE JISỌS

## Matiu 27:27-56

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 64 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Chineke nēme ka ihu-n'anya nke aka Ya n'ebe ayi nọ puta ìhè, n'ihi na, mgbe ayi nọ nābu ndi-nmehie, Kraist nwuru n'ihi ayi" (Ndi Rom 5:8).**

**Usoro Ahịrị Ahụ rue Kalvarị**

Amara Jisọs ikpé ọnwụ site n'ịkpọgide Ya n'elu obe, ụdị ọnwụ dịkarịsịrị egwù na ihere bụ́ nke ndịiro Ya pụrụ ichepụta. Ọ dịghị ihe kwesịrị ọnwụ nke O mere; kama n'ihi na ndị Ju nwere ekworo n'ebe Ọ nọ, ha wee were ụzọ dị otú a wepụ Ya n'etiti ha.

Ụwa ahụbeghị kwa ụdị isoro n'ahịrị dị otú a ọzọ bụ́ nke ahụ esoro site n'obodo pụọ ijé n'Ugwu Kalvarị. Ọkpara Chineke, Onye mmadụ ledara anya, pụtara "nēbu obe-Ya." Igwèmmadụ naeso kwa Ya n'àzụ̀ bụ́ ndị kpọrọ Ya asì, náakwa Ya emò, náeti kwa Ya ihe. Ọ dị kwa ụfọdụ, karịsịa ndịnyom, soro Ya náetiri ya aka n'obi. Ha naákwá ákwá n'ihi mmeso ihere anaemeso Onyenweanyị; ma mgbe Ọ hụrụ ha, Jisọs gwara ha ka ha ghara ịkwara Ya akwa, kama ka ha chee uche banyere òké ahụhụ nke gaje ịbakwasị ndị Israel n'ihi óké ihe ọjọọ a.

Ike gwụrụ Jisọs n'ihi ahụhụ niile nke Ọ hụworo, O wee daa n'ihi ịdị arọ̀ nke obe ahụ? Ọ dịghị onye bịara nyere Ya aka, ya mere Saimon, nwoke si n'obodo ọzọ bịa, onye náagafe n'ụzọ ka amànyere ka o buru obe ahụ rịgoo n'ugwu ahụ. Ka anyị were ọñụ buru obe Ya!

Mgbe ìgwè mmadụ ahụ ruru n'elu ugwu, enyibere Jisọs n'elu obe ahụ, ewee kpọọ Ya ntu n'aka na n'ụkwụ Ya; mgbe ahụ ewee bulie obe ahụ ka onye ọ bụla wee hụ́ mweda n'ala ewedara Kraist. Akpọgidere ndịori abụọ n'otù oge ahụ imezu ihe edere n'Akwụkwọ nsọ: "Ewe me ka ili-ya di n'etiti ndi nēmebi iwu, ya na ọgaranya nọ kwa n'ọnwu-ya" (Aisaia 53:9).

**Emezuru Ihe Edere N'Akwụkwọnsọ**

Ọ bụ ihe náewuli mmụọ elu ịhụ́ otú Kraist si mezue ihe niile eburu n'amụma banyere Ya. Anyị gaedepụta ụfọdụ. Onye náesoụzọ Ya raara Ya nye: "Ọbuná nwoke nke mu na ya di n'udo, onye m'tukwasiri obi, onye nēri nrim, o mewo ikiri-ukwu-ya ka ọ di uku imegidem" (Abù Ọma 41:9). Eji iri ọlaọcha atọ wee rara ya nye, eweghachiri ego ahu, ewee were ya zụta ala ebe anaeli ndịọgbenye: "Ha we tùa ugwọ-ọlum, bú orú ego ọla-ọcha na iri…M'we chiri orú ọla-ọcha na iri ahu, tufue ha nye okpu-ite, n'ulo JEHOVA" (Zakaraia 11:12, 13). Apịara Jisọs ụtarị wee náekwutọ Ya: "Àzúm ka m'nyere ndi-oti-ihe, ntìm abua ka m'nyere ndi nēkwopu afu-ọnu: ezopughm irum n'ọnọdu-ihere anētiyem n'ọbubu-ọnu" (Aisaia 50:6). Ọ zaghachighị ndị ahụ náebo Ya ebubo maọbụ gbalịa ịgọpụ Onweya "Dika aturu nke anākpuru ijé n'ogbugbu-ya na dika nne aturu nke dara ogbi n'iru ndi nākpacha ya aji; e, ọ digh asaghe ọnu-ya" (Aisaia 53:7). Akpọrọ ya ntù n'aka na n'ụkwụ: "Ha nādupú akam abua na ukwum abua" (Abù Ọma 22:16). Ndị Ju, bú ndị nke Ya kpọgburu Ya: "Agāsi kwa ya, Ha bu ọnyá etiputaram n'ulo ndi nāhum n'anya" (Zekaraia 13:6). Ọbụná manya gbara ụká nke enyeworo Ya ka Ọ ñụa mgbe Ọ nọ n'elu obe ka ekwuworo ihe banyere Ya na mgbe ochie: "Ha we nyem nsi di ilu ka ọ buru ihe-oririm: ọzọ mgbe akpiri kpọrọm nku ha nēme ka m'ñua manya vine gbara uká" (Abù Ọma 69:21). Ọ dị amụma ọzọ dị icheiche dị otú a; ọ bụrụ na ndị odeakwụkwọ na ndị Farisii chọrọ ikwere na Jisọs, ha gaamaworị na Ya Onweya bụ Mesaia ahụ, n'ihi na Ọ sịrị: "Unu nēnyocha ihe edeworo n'akwụkwọ nsọ; … ha onwe-ha bu kwa ihe nāgbaram àmà" (Jọn 5:39).

**Ime mkpọtụ nke Ihe Èkèrèèkè**

Akpọgidere Jisọs n'elu obe n'ihe dịka oge hour nke iteghete n'ụtụtụ, ma n'etiti ehihie ọchịchịrị gbachiri n'ụwa. Site n'etiti ehihie rue n'oge hour nke atọ nke ehihie, ọchịchịrị dị n'ebe niile ndị naagabiga wee hụ́ akàrà ahụ edere n'elu obe nke náasị "ONYE A BÚ JISUS EZE NDI-JU," chịrị Ya ọchị wee were okwu ndịa náemetọ Ya. "Ọ zọputara ndi ọzọ; ọ pugh izọputa Onwe-ya." Jisọs nwereike ịzọpụta Onweya, ma Ọ gaghị emezuworị àtụ̀mààtụ̀ nke mgbapụta ahụ ma asị O si n'elu obe rịdata. Jisọs bụ Ọkpara Chineke n'ihi nke a Ọ nọgidere n'elu obe ịkwụ ụgwọ ka ewee gbapụta anyị nye Chineke. Náání Ya pụrụ ịkwụ ụgwọ ahụ.

N'oge hour nke atọ, na mgbe ịchụàjà anyasị, enwere ala ọmajijiji, ọtụtụ óké nkume wee gbawasịa. Ihe niile èkèrèèkè wee náagba aghara mgbe Onye kèrè ha koro n'etiti Eluigwe na ụwa wee ná ahụ́ ahụhụ nke ọnwụ dị njọọ n'aka ndị ajọ mmadụ. Mgbe ahụ ndị mmadụ wee malite ịmata na Jisọs karịrị mmadụ, ma apụghị ikudata Ya ugbu a n'ihi na oge agawo. O kuworị ume ikpèàzụ̀ ahụ ka Ọ hụrụ ahụhụ kachasị ukwuu.

Nna wepụrụ iru Ya n'ihi na ọ pụghị ilegide mmehie niile nke ụwa anya bụ́ nke Ọkpara naebu n'ebe ahụ. Jisọs wee tie mkpu sị, "Chinekem, Chinekem, ọ̀ bu n'ihi gini ka I rapuru nánị Mu?"

**Ákwà Mgbochi Gbawara**

Otù mgbe ahụ Jisọs nwụrụ, ákwà mgbochi nke Ụlọikwuu gbawara site n'elu rue n'ala. Ekwuru na akpara ákwà ahụ ihe ra ka otù inch n'ịdị ikputu na ọ dịghị kwa ihe ọ bụla pụrụ ịdọwa ya ma ọ bụghị aka karịrị (náabụghị) nke mmadụ. Anaakwụba ákwà mgbochi ahụ n'ụzọ esi abà Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ Niile, ụlọ dị nime nke ọ bụ náání Onyeisi nchụàjà pụrụ ịbà, náání ya onweya otù ugbò n'arọ, n'ụbọchị Mkpuchimmehie. Ọ ghaghị iwere ọbara

nwaatụrụ ejiri chụọ àjà n'ihi mmehie nke ndị ahụ. Mgbe adọwara ákwàmgbochi nke Ụlọikwuu ahụ, emeghere ụzọ nye onye ọ bụla ịbà n'ebe Nsọ ahụ Kachasị Ebe Nsọ Niile ijé kọsara Chineke arịrịọ ha karịa inwe onye nchụàjà ganaekpere ha ekpere. Mgbe Kraist nwụrụ O wee ghọọrọ anyị Onyeisi nchụàjà, Onye náewere Ọbara nke Ya Onweya náabịa n'iru Chineke n'ihi mmehie anyị. Mgbe anyị na ekpeekpere nye Nna, anyị naekpe n'aha Jisọs, wee náarịọ ka etinye Ọbara ahụ Ọ wụsịrị nime obi anyị. Otú a ka anyị si enweta mgbapụta, nzọpụta site ná mmehie anyị niile, site n'Ọbara nke Jisọs.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Òlee ebe akpọgburu Jisọs ? Ya na ndị ole?

2. Ònye buru obe ahụ rịgoo n'ugwu ahụ?

3. Gịnị mere site n'etiti ehihie rue n'oge hour nke atọ?

4. Òlee mgbe Jisọs jiri nwụọ, ọ̀ bụkwa gịnị ọzọ mere n'oge hour ahụ?

5. Òlee otú anyị gaesi kpeere Nna banyere nzọpụta?